Nnyocha Nkwenye E Nwere N'ihe Ụfọdụ Metụtara Mmadụ Na Anụmanụ N'ụmụna-Nsụka Igbo Nke si n'aka

Igbeakụ, Benjamin Chimụatulamụra
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
benjamin.igbeaku@unn.edu.ng

Odo, Doris Chinyere
Department of Igbo Language
Federal College of Education, Eha-Amufu
dorischinyere51@yahoo.com

&
Okey-Agbo, Jacinta Ndidiamaka
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
jacinta.okey-agbo@unn.edu.ng

Ụmị

Ihe nrịbama na-ejuputa na mgbagwoju anya na-eme n'ala Igbo. Otu n'ime ihe nrịbama ndị a bụ inwe nkwenye banyere ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ na ihe okike dị iche iche. E nwere nkwenye dị iche iche ndị Igbo kwenyere banyere ụfọdụ ihe na-eme na ndụ ha dịka ha siri metụta ndụ mmadụ na anụ e kere eke nke nkwenye ha enweghị ihe mgbakwasi ụkwụ na ya. Nchọcha a gbadoro ụkwụ na nkwenye efu dị iche iche e nwere n'Ụmụna-Nsụka Igbo dịka ha siri metụta ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ na anụ okike ụfọdụ. E jiri usoro nsere mbunuche nweta ọnụọgụ mmadụ iri na atọ bụ ndị ọchọcha jiri mee nchọcha a ebe ngwa nchọcha a bụ ajụjụ ọnụ ka e jiri nweta njịatule. Ndị ọchọcha chọpụtara na ndị Ụmụna nwere nkwenye siri ike n'ọtụtụ ihe omimi na-eme na ndụ ha. Ụfọdụ nkwenye ndị ahụ dị omimi ma dịrị aŋaa ha nwere na ndụ ha metụtara ụkwụ ịkpọ mmadụ, nku anya elu iti mmadụ, uzere ize mmadụ, ụkwụ ịkọ mmadụ ọkọ, oboaka ịkọ mmadụ ọkọ, ịtabị ire, ike ite ịcha ọkụ, mmadụ ịlọụwa, nrọ na akwamozu. Nchọcha a chọpụtakwara na nkwenye ha

nwere pụtara ihe ọzọ n'anụ okike ụfọdụ dịka: agwọ, nkịta, ewi/eyi, ogwumangana, ikwiikwii, na udele. Ndị Ụmụna-Nsụka Igbo nwere ezi okwukwe pụtara ihe na nkwenye ndị ahụ. N'ihi ya, imerime ihe na-eme na ndụ ha nwere ụzọ dị iche iche ha si enweta ihe mgbaama banyere ya. Ihe ọjọọ ụfọdụ na-eme na ndụ ha bụ nnupu isi ka ha nupuru n'ihe agbaama ha nwetere tupu ihe ahụ emee. N'otu aka ahụ, tupu ihe ọma emee, onye ahụ ga-enwe ihe mgbaama nye onye ahụ iji kwadoo maka ihe ọma ahụ.

Ọkpụrụrụ okwu: anụ okike, mmadụ, nkwenye, omenala, ọdịnala

1. Mkpọlite

Igbo bụ agbụrụ e jiri omenala, ọdịnala na nkwenye dị iche iche mara. Nke a na-apụta ihe n'akparamagwa na usoro obibi ndụ ha. Omenala na-egosipụta otu obodo ọbụla si ebi ndụ nke bụ ọpụrụiche na ndụ ha. Na nkọwa Emetumah, Okalla, Igbokwe, Obioha, Megwa, na Etumnu (2023), omenala bụ ụzọ pụtara ihe e ji agbasa ozi ihe banyere ọdịnala obodo nke na-adịgide n'ihi na ọ na-esi n'aka fere n'aka. Omenala na-apụta ihe n'ụdị agwa na emereme obodo. Ụfọdụ omenala, ọdịnala na ewumewu obodo dị iche iche na-enwe mmetụta na nkwenye ha nwere. Omenala dị n'ụdị dị iche iche nke ụfọdụ nkeji nta ya na-eleba anya n'usoro mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta, mmebe obodo, obibi ndụ ndị mmadụ n'ọgbọrọgbọdọ, ofufe, okpukperechi na nkwenye dị iche iche.

Ụfọdụ ihe nrịbama na-ejuputa na mgbagwoju anya na-eme n'ala Igbo. Otu n'ime ihe nrịbama ndị a bụ inwe nkwenye banyere ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ na anụ dị iche iche. E nwere nkwenye dị iche iche ndị Igbo kwenyere banyere ụfọdụ ihe na-eme na ndụ mmadụ dịka ha siri metụta anụ e kere eke nke nkwenye ha enweghị ihe mgbakwasi ụkwụ na ya. N'ihi ụfọdụ ihe dị aṅaa na-eme na ndụ ndị mmadụ nke na-apụta ihe na ndụ ha ka ndị Ụmụna-Nsụka, Igbo jiri nwe nkwenye tọrọ atọ n'ihe omimi dị aṅaa na-eme n'ihe okike ụfọdụ Chukwu kere. Ha na-eji ụdị nkwenye a akọwa ọtụtụ ihe na ndụ ha nke n'agbagwoju ndị mmadụ anya. Ha na-esita n'ihe ndị a na-eme ma nwee nka ịkọwa ihe gaje ime ma ọ bụ nweta ọsịsa ihe mere eme na ndụ mmadụ nke kara ibute mgbagwojụ anya ma ọ bụrụ na enweghị ụdị nkwenye a. Ụdịrị nkwenye a nwere nke bụ ụzọ e si anata ozi n'aka ndị mmụọ.

Kemgbe ndị ọcha wetachara ekpemekpe ụka Kraịs, mmepe obodo na mmepe anya nke sitere n'oke agụmakwụkwọ, ụfọdụ ndị Igbo na-elegara nkwenye ndị Igbo dị iche iche anya dịka ihe nkiti na ihe efu. N'ihi ya, ụfọdụ ndị Igbo ekweteghị n'ụfọdụ ihe ndị ahụ ka dị ire wee ruo taa. Ọnọdụ dị otu a ebutela ndọrọndọrọ ndị kwee na ndị ekweghị banyere ụfọdụ nkwenye dị iche iche e nwere n'ala Igbo. Ihe arụmarụ ụka a na-ebute ihe mmegharị anya n'etiti ndị Igbo tụmadị ndị ekpemekpe ụka Kraịs na ndị ekpemekpe ọdịnala (Nwankwo, 2015; Ele, 2017; Ngangah, 2021; Anizoba, 2021; Onuorah, 2022 & Anizoba, 2023). Ndọrọndọrọ a na-arụtụ aka na nkwenye ndị Igbo bụ ihe efu maọbụ ihe nkiti n'ihi na o soghị n'ụzọ amụmamụ sayensi ma ọ bụ n'ekpemekpe ụka Kraịs. Arụmarụ ụka banyere nkwenye dị aṅaa e nwere n'ala Igbo adịla ọkpụtọrọkpụ tụmadị n'oge agbụrụ ọhụụ a ndị mmadụ na-ahụta ihe ọ bụla na agbanyeghị mgbọrọgwụ n'amụmamụ sayensi dịka ihe mmegharị anya.

Nchọcha a ebughi n'obi iweta ndọrọndọrọ nkwenye ndị ekpemekpe ụka Kraịs na ndị ekpemekpe ọdịnala n'isi njedebe n'ihi na uche bụ akpa, onye ọ bụla nya nke ya. Mbunuche nchọcha a bụ igosipụta ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ na anụ ụfọdụ e nwere n'ala Igbo a na-esite n'akparamagwa ha ezipụta ihe mgbaama gaje ime n'ọdịnihu nke ndị Ụmụna-Nsụka Igbo kwenyere na ya ma tụkwasa okwukwe ha ebe ọ dị ụkwụụ na ya. Nkwenye ndị Ụmụna-Nsụka Igbo nwere banyere ihe ndị a dịka ha si emetụta ndụ mmadụ ka nchọcha a bu n'uche ịchọpụta. Ha nabatara ụdị nkwenye ndị ahụ nile dịka eziokwu maka na ọtụtụ mgbe ha esirila n'ihe mere na ndụ ha mata na nkwenye otu ahụ bụ nanị eziokwu kwụ ọtọ. Ọ bụ iji zipụta ihe nrụaka pụtara ihe ndị mmadụ nwere site n'ihe omim mere na ndụ ha na anụ ndị dị iche iche ka nchọcha a na-eleba anya. Ime nke a ga-ebeleta maọbụ kwụsịtatụ ọnọdụ ndị kwee na ndị ekweghị ndị mmadụ nwere banyere nkwenye ndị Ụmụna-Nsụka Igbo.

2. Ntulegharị agụmagụ

Nkeji a tulegharịrị agụmagụ metutara isiokwu a na-eleba anya. E mere nke a n'ụzọ abụọ: ntulegharị isiokwu bụ nkwenye efu n'ala Igbo na ntụlegharị ihe e derela n'isiokwu.

2.1 Nkwenye efu n'ala Igbo

Nkwenye efu bụ nkwenye dị aṅaa ndị mmadụ na-enwe n'ebe ihe dị ịche iche dị ma bụrụkwa nke na emegasi na ndụ mmadụ. Asher (1994) kọwara na nkwenye efu bụ ụmụ nkwenye n'enweghị ihe mgbakwasi ụkwụ, nkwenye ezughị oke na nke a na-emebe emebe. Ọ kọwakwara na ndị kwenyere na ya bụ nkwenye na-etinye oke amamihe ha n'ihe mgbakwasi ụkwụ dị elu were ezipụta ya n'ụzọ sayensi, fịlọsọfi na ụka asị. N'ihi nke a, site na nkọwa Asher, ọ na-egosi na ụmụ okwukwe a dị iche iche ndị mmadụ na-enwe bịara mee ka nkwenye efu were nnukwu ọnọdụ n'ebe ndụ ndị mmadụ dị.

Ndemanu (2018) kọwara nkwenye dịka ihe ọdịnala ụfọdụ ndị mmadụ tụkwasara okwukwe ha na ya ma nwee nkwenye na ihe ndị ahụ bụ ezie nke ụfọdụ n'ime ha gụnyere ekpemekpe, nchụaja, Chi okike, nrọ, ịlọ ụwa, ọnwụ na ndụ. Ndị odee dịgasi iche iche edela ọtụtụ akwụkwọ n'uju iji gosipụta ebumunuche ha banyere nkwenye efu n'ụdị ọ ga-edo ewu na ọkụkọ anya (Anozie, 2003). E nwere ọtụtụ ihe ndị Igbo kwenyere na ya. Ụfọdụ n'ime ha bụ ọgbanje, ịlọụwa, nsọala, ezigbo ọnwụ, ajọ ọnwụ, anụ nsọ, osisi nsọ na akwamozu. Ụfọdụ ndị Igbo nwere okwukwe siri ike n'ihe ndị a. Anozie (2003, p. 105) kọwara "na ọgbanje bụ mmadụ ịbịa ụwa ugboro ugboro site n'otu afọ nwanyị ma ọ bụ karịa ma na-anwụkwa ugboro ugboro iji taa nne na nna ya ahụhụ". Ọgbanje anaghị anọ ndụ ogologo oge, ha na ama kwa mma dị oke egwu, ha na-ama oke ihe karịa ọtụtụ ndị ọgbọ ha tupu ha anwụọ.

Ịlọụwa sonyekwara na nkwenye ndị Igbo nwere. Nke a na-apụta ihe mgbe onye nwụrụ anwụ laghachiri azụ n'ụwa site n'ịmụgharị ma ọ bụ ịmụnwo ya n'ime áfọ́ onye ọzọ. Na nkọwa Anozie (2003, p. 105), ịlọụwa dịka onye ọbụla biri ezigbo ndụ, toruru ihe eji mmadụ eme ma nwụọ ezigbo ọnwụ, nwụọ, nwụcha ọnwụ na ọ ga-alọghachi ụwa ọzọ site n'ibanye n'afọ otu ikwu na ibe ya bụ onye ọ hụrụ n'anya e were si otua mụgharịa onye ahụ ọzọ. Na nkwenye ndị Igbo, ọtụtụ mmadụ bi n'ụwa ta a bụ ndị nọbụgọrọ n'ụwa a. Olili a na-eli ndị mmadụ nwụrụ anwụ ebe dị nso n'akụkụ maọbụ n'ihu ụlọ ha na-eme ka ndị ahụ lọghachịrị azụ n'ụwa n'ime ụmụaka ọ bụla a mụrụ n'ezinaụlọ ahụ.

2.2 Ntụleharị ihe e derela n'isiokwu

Ụfọdụ ndị ọchọcha emeela nchọcha banyere nkwenye dị iche iche. Onye dị ka Ndubisi (2021) lebara anya n'osisi na anụmanụ a na-asọ nsọ n'ala Igbo dịka ha siri metụta mba Afrịka na ụzọ nchekwaba ha. Mbunuche nchọcha Ndubisi bụ ịchọpụta nkwenye nke na-ebute ịsọ nsọ ndị Igbo na-asọ ihe ụfọdụ Chukwu kere eke dịka osisi, anụmanụ na ihe okike ndị ọzọ tinyere ụzọ pụtara ihe a ga-agbaso iji chekwaba ha. Njịatule o jiri rụọ ọrụ ya bụ nka mmụta o nwere dịka onye Igbo omenala Igbo doro anya. Nchọcha a chọpụtara na nkwenye ndị Igbo nwere banyere anụmanụ na osisi bụ ihe efu. Ọ chọpụtara na nkwenye na ịsọ nsọ a na-asọ anụ ndị dịka eke, enwe, agụiyi, na ọdụm bụ ihe nkiti n'ihi na enweghị ihe mgbadọ ụkwụ e ji eme nke ahụ. Nchọcha a kwenyere na o nweghị ihe mmụọ, omimi na adịmasọ e nwere banyere anụ na osisi ọ bụla mana ọ dị mkpa ka a na-echekwaba ha ghara imeru ha ahụ ma ọ bụ gbuchapụ ha n'ihi na ọ bara uru na ndụ mmadụ n'ụzọ dị iche iche. Na nchịkọta nchọcha Ndubisi, nkwenye ọ bụla e nwere banyere anụ ndị ahụ abaghị uru n'ihi na ha bụ ihe nkiti na ihe efu maka na enweghị mgbọrọgwụ nkwenye ahụ dabere kama ọ dị mma ka a na-echekwaba ha maka ọdịnihụ.

Nwuba (2021) mere nchọcha banyere mmetụta ekpemekpe ọdịnala na ụka Kraịs. Mbunuche izugbe nchọcha Nwuba bụ ileba anya na mkpakpụ na akatọ ụka Kraịs na-akatọ ekpemekpe ọdịnala dịka ihe nkwenye efu na ihe arụsị. Nchọcha a jiri ihe e dere ede mee njịatule ma jiri nkọwa sekasịa njịatule ya. A chọpụtara na ekpemekpe ọdịnala dịbụ adị tupu ekpemekpe Kraịs abịa. Ọbịbabịa ekpemekpe Kraịs butere mmegide ekpemekpe na nkwenye ọdịnala. Ụfọdụ nkwenye ruru inyi ụka Kraịs na-emegide bụ igbu ejima, iji mmadụ chụọ aja na imeru nsọala. Ọnọdụ a butere ndaghachị azụ n'ekpemekpe ọdịnala ma mee nke ụka Kraịs na-eto n'ike n'ike n'ala Igbo. Okwukwe ndị mmadụ nwere n'ekpemekpe Kraịs dị ukwuu karịa nke ha nwere n'ekpemekpe ọdịnala. Nchọcha chọpụtakwara na ihe mmekpa ahụ ekpemekpe Kraịs na-emekpa ekpemekpe ọdịnala emeela ka ihe nkwenye nile e nwere banyere bụrụ achịtaghị aja ugbu a. Nchịkọta nchọcha a bụ ka e nwee ezi mmekọrịta tọrọ atọ n'etiti ekpemekpe ọdịnalana nke ụka Kraịs iji mee ka nghọta, ịdịnotu, adịmasọ, nnabata na mgbaghara dịrị n'etiti ụzọ ekpemekpe abụọ a: ọdịnala na ụka Kraịs.

Nchọcha Ndubisi (2021) na Nwuba (2021) na nchọcha nke anyị a nwere ebe ha nọrọ yitatụ n'etiti onwe ha. Nke a pụtara ihe n'ebe nkwenye dị. Ndubisi (2021) gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta nkwenye nke na-ebute ịsọ nsọ ndị Igbo na-asọ ihe ụfọdụ Chukwu kere eke dịka osisi, anụmanụ na ihe okike ndị ọzọ tinyere ụzọ pụtara ihe a ga-agbaso iji chekwaba ha ebe Nwuba (2021) lebara anya na mkpagbụ na nkatọ ụka Kraịs na-akatọ ekpemekpe ọdịnala dịka ihe nkwenye efu na ihe arụsị. Nchọcha a nke a gbadoro ụkwụ na nkwenye n'ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ na anụ ụfọdụ e nwere n'ala Ụmụna-Nsụka Igbo a na-esite n'akparamagwa ha ezipụta ihe mgbaama gaje ime n'ọdịnihu. N'aka nke ọzọ, ndịiche e nwere n'ebe Ndubisi (2021), Nwuba (2021) na nchọcha a dị bụ na nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ na anụ ụfọdụ dị iche iche e nwere nkwenye banyere ya. O metụtaghị ekpemekpe ọdịnala maọbụ ụka Kraịs. Ọ bụ ndịiche a mere ka nnyocha a baa uru n'ọrụ a.

Onuoha na Uchechukwu (2022) mere amụmamụ banyere iji mbụrụ gosipụta agụmoge n'Igbo. Ebe mgbado ụkwụ nchachọ ha bụ n'ala Igbo. Ha nwetara njịatule site n'ederede e nwere n'Igbo tinyere nka amamihe ha nwere dịka ndị Igbo bụ asụsụ Epum ha. Usoro nkọwa ka ha jiri mee ihe nsekasị njịatule. Nchọcha a zipụtara na tupu ndị Ọcha abịa n'Afrịka na ndị Afrịka nwere omenala ha, ụzọ dị iche iche ha si agụ oge nke ha bụ ọpụrụiche. Ụzọ a bụ ọpụrụiche hibere n'ekpemekpe ha tinyere mmemme ọdịnala obodo na omenala ụfọdụ nke nwere oge a mara ama e ji eme ha kwa afọ. Ụdị mmemme a bụ mmemme iri ji ọhụụ, ịgba ọfala, iti mmọnwụ na mmemme icheta mmụọ dị iche iche n'obodo. Nchọcha a chọpụtara na ime mmemme ndị a ka ndị Igbo ji eme agụmoge n'ihi na mmemme nke ọ bụla nwere otu mgbe e ji eme ya kwaa afọ ọ bụla n'ala Igbo. Nchọcha a rụrụ ụka na otu ngwaa mbụrụ dịka ku-, gafe- na ru- e ji agụ oge na Bekee ka e jikwa agụ oge n'Igbo iji gosipụta oge e ji eme mmemme. Na mmechi, Onuoha na Uchechukwu na ụzọ ndị Ọcha si agụ oge abanyeela n'ụmị ọkpụkpụ ndị tụmadị ndị gụrụ akwụkwo ma mee ka ha ghara inwezi mmasị ebe agụmoge ọdịnala Igbo dị.

Anizoba (2023) mere nchọcha na nkwenye ọdịnala ndị Igbo nwere banyere ihe na-ebute mmadụ ịrịa ọrịa dị aṅaa. Mbunuche kpọmkwem nchọcha a bụ ileba anya n'ọrịa ụfọdụ dị omimi nke na-enwe ihe na-ebute ya na ụzọ dị iche iche e nwere ike isi gwọọ ha tinyere uru na ọghọm na-eso ya. Usoro ịgba ajụjụ ọnụ na ịdọrọ ihe

ụfọdụ e dere ede dị n'ọba akwụkwọ ka ọchọcha siri nweta njịatụle ebe usoro nkọwa ka o jiri sekasịa njịatule e jiri rụọ ọrụ na nchọcha a. Nchọcha a chọpụtara na ndị Igbo kwenyere na mmụọ dị iche iche dịka amosu na ọgbanje na-ebutere mmadụ ụfọdụ ọrịa dị omimi dịka ekpenta na ọrụsị ebe ihe butere ụdịrị ọrịa ndị ahụ bụ ịrụ nsọala na onye aka ya adịghị ọcha ịkpachara anya ṅuọ iyi. Nchọcha a gara n'ihu zipụta n'ụdị nkwenye ọdịnala ndị Igbo a nwere agba ma gbanye ezi mgbọrọgwụ n'ala Igbo n'ihi na anaghị azọta ma ọ bụ agwọta onye ọrịa dị otu ahụ jidere. N'aka nke ọzọ, ọnwụ na-esote onye ụdịrị ọrịa dị omimi dadoro beresọ ma onye ahụ gaara meruo ihe nsọala ahụ dịka omenala na ọdịnala Igbo siri dị. Nchọcha a nyere ihe ntunyearo site nime ka ndị ụlọ ọgwụ dị na Naijirịa sie imi n'ala mara ka ha ga-esi na-agwọ ọrịa ndị dị omimi iji melata nsogbu ọrịa ndị ahụ na-ebute tụmadị ebe ndị nwere nkwenye n'ọdịnala Igbo.

Onuoha na Uchechukwu (2022), Anizoba (2023) na nchọcha nwere myiri pụtara ihe n'etiti onwe ha. Nke a na-egosi onwe ya n'ebe nkwenye dị n'ihi na ha dum na-ekwu banyere nkwenye. Onuoha na Uchechukwu (2022) lebara anya n'ihe banyere nkwenye n'iji mbụrụ gosipụta agụmoge n'Igbo ebe nchọcha Anizoba (2023) hibere isi na nkwenye ọdịnala ndị Igbo nwere banyere ihe na-ebute mmadụ ịrịa ọrịa dị aṅaa. Nkwenye n'ụzọ dị iche iche bụ ụdọ jikoritara nchọcha atọ ndị a. Ndịiche dị na ha metutara ebe ụzọ e siri nwee nkwenye ndị ahụ. Onuoha na Uchechukwu (2022) bụ mbụrụ n'agụmoge n'Igbo, Anizoba (2023) bụ nkwenye banyere mmadụ ịrịa ọrịa dị aṅaa ebe nchọcha a bụ nkwenye banyere ihe omimi na-eme ndụ mmadụ na anụ ụfọdụ e nwere n' Ụmụna-Nsụka Igbo nke a na-esite n'akparamagwa ha ezipụta ihe mgbaama nwere ike ime n'ọdịnihu. Ebe ndịiche a mere ka e nwee oghere nke nchọcha a bu n'uche ileba anya iji mara ka a ga-esi weta ya n'isi njedebe.

3. Usoro nchọcha

Nchọcha a gbasoro usoro ntapị were bagịde ọrụ nchọcha a. Thwala, Ugwuanyi na Okeke (2020) kọwara usoro nchọcha ntapị dịka usoro nchọcha gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta ihe na-aga n'ụwa site n'àmà ndị mmadụ gbara dịka o siri metụta ihe mere eme n'ụwa. Ụdịrị usoro nchọcha a na-eji ịgba ajụjụ ọnụ ma ọ bụ nsonye nlere anya enweta njịatule e ji arụ ọrụ nseka nkọwa dịka ndị e ji nweta njịatule siri nye ntụzị aka. Ụdịrị usoro nchọcha a na-eleba anya n'eziokwu dị n'ihe a chụtara

na nta dịka o siri metụta ihe mere eme a hụrụ anya n'ụwa. Nchọcha a gbasoro usoro a site n'ịkọwa njịatule e jiri rụọ ọrụ a na nchọcha a

Ụmụna bụ otu obodo e nwere n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti n'Enugwu Steeti. Ụmụna sonyere na mpaghara òtù olumba ọwụwa anyanwụ dịka Nwozuzu (2017) siri kee olumba asụsụ Igbo. O nwere alaka obosara obodo atọ: Amọkọfịa, Oreti na Ufu Ọnụrogwu. Dịka ederede ọkpụ nke si n'aka Barmby (1934) siri kwuo, Ụmụna nọ n'ugwu nke nwere ike ịdị ihe karịrị ihe dịka mịta 420 n'ogo elu mmiri. Ọ dị n'agbata latituud 6.040 nke ọwụwa anyanwụ na 7.020 nke ọdịda anyanwụ. Obodo ndị gbara ya agbatobi bụ Ekwegbe, Ohebe-Dim, Ọzala n'ọwụwa anyanwụ na Diogbe, Ukehe na Ugwugburugburu n'ọdịda anyanwụ. Ọnụọgụ ndị Ụmụna dị ihe dịka puku iri ise n'ọgụ (FRN, 2006). E jiri usoro nsere were họpụta mmadụ iri na atọ e jiri mee nchọcha a ebe ngwa nchọcha e jiri nweta njịatule bụ ajụjụ ọnụ.

4. Ntụcha njịatule

Nkeji a lebere anya na njịatụle nke e nwetara n'aka mmadụ iri na atọ a gbara ajụjụ ọnụ. Ihe ọsịsa e nwetara n'ajụjụ ọnụ a gbara mmadụ iri na otu ka ndị ọchọcha jiri nyochaa ma kọwaa nkwenye ndị Ụmụna-Nsụka Igbo nwere banyere ihe omimi ụfọdụ dị na ndụ ha tụmadị ka o siri metụta mmadụ na anụ okike. E nwere ụfọdụ nkwenye dị iche iche ndị Ụmụna nwere n'ebe mmadụ dị ndụ na anụ okike dị. Ha nwere okwukwe na nkwudosike na nkwenye ndị ahụ. Ha nwekwara ụzọ dị iche iche ha si egosi nkwenye ha nwere n'ebe ihe ndị ahụ dịgasị. Nkwenye a na-apụta ihe site n'ihe ọ bụla gbasara mmadụ na anụ. Nke a nwere ike igosipụta onwe ya n'ụzọ dị iche iche. E kere njịatule e jiri rụọ na nchọcha a ụzọ abụọ: nkwenye n'ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ na nkwenye n'anụ okike dị iche iiche. Ụfọdụ ihe omimi dị aṅaa na-eme na ndụ ndị nọ n'obodo ndị a gbara ajụjụ ọnụ kwenyere na ya gụnyere: ụkwụ ịkpọ mmadụ, nku anya elu iti mmadụ, uzere ize mmadụ, ụkwụ ịkọ mmadụ ọkọ, oboaka ịkọ mmadụ ọkọ, ịtabị ire, ike ite ịcha ọkụ, ịlọụwa, nrọ na akwamozu. Nkwenye ha nwerekwara pụtara ihe n'anụ ndị e lebara anya na ya dịka: agwọ, nkịta, ewi/eyi, ogwumangana, ikwiikwii, na udele.

4.1 Nkwenye n'ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ

Ụfọdụ ihe nkwenye omimi e lebara anya na ya na nkeji a bụ: ụkwụ ịkpọ mmadụ, nku anya elu iti mmadụ, uzere ize mmadụ, ụkwụ ịkọ mmadụ ọkọ, oboaka ịkọ mmadụ ọkọ, ịtabị ire, ike ite ịcha ọkụ na ịlọ ụwa. E nyochara ihe ndị a dịka ha siri

pụta ihe na nkwenye ndị Ụmụna Nsụka Igbo nwere ebe nke ọ bụla n'ime ha dị. Nwaugwulegwu (2023), otu onye n'ime ụmụ nwanyị ndị a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na ndị Ụmụna kwenyere na mgbe ụkwụ kpọrọ mmadụ tụmadi ụkwụ aka nri na ọ bụ ihe ọma ga abịara maọbụ emere onye ahụ. Ọ (Nwaugwulegwu) gara n'ihu kwuo na mgbe mmadụ na-aga njem ụkwụ aka nri kpọọ ya mara na onye ahụ ga-enweta ihe ọma ebe ọ na-aga. Mana ọ bụrụ ụkwụ aka ekpe kpọrọ mmadụ, mara na onye ahụ ga-ezuta ihe ọjọọ maọbụ ihe dị njọ ebe ọ na-aga. Nkwenye ha na-egosi na ọ bụrụ ụkwụ aka nri kpọrọ onye ahụ, mara na ọ bụ ụkwụ ọma. Nke a na-egosi na onye ahụ ga-enweta ihe ọma mana ọ bụrụ ụkwụ aka ekpe mara na ọ bụ ụkwụ ọjọọ. Nke na-egosi na ọ bụ ihe ọjọọ maọbụ ihe dị njọ ga-adapụtara mmadụ ahụ ebe ọna-aga. Mgbe ụfọdụ, onye ụkwụ ọjọọ kpọrọ mgbe ọ na-eme njem na alaghachị azụ ka o nwee ike gbanarịa ajọ ihe ahụ o nwere ike izute ebe ọ na-aga.

Onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ, Ọgwụ Deede (2023) kọwara na ndị obodo ya kwenyere na mgbe nku anya elu na-eti mmadụ na ihe ọ na-egosipụta bụ na o nwere ihe onye ahụ ga-ahụ nke nwere ike ịbụ ihe nkiri anya. Ihe nkiri anya ahụ ga-abụrịrị ihe ọma mana mgbe nku anya ala tiri mmadụ, ihe ọ na-egosi bụ na o nwere ihe mberede ga-eme nke ga ebutere onye ahụ ịkwa anya mmiri mgbe eteghị aka. Ihe mberede ahụ nwere ike ịbụ ọnwụ onye metụtara mmadụ. Ọgwụ Deede kọwara na mgbe nke a mere, onye ahụ nwere ike gaa na nke dibịa afa iji chọpụta ihe ọ ga-eme iji gbanahụ ihe ọdachị ahụ. Nkwọ Diovu (2023) nwanyị ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ kwukwara na uzere ize mmadụ na-egosi onye ahụ na o nwere ebe a na-akpọ ya aha maọbụ a na-ekwu ihe dị aṅaa maka ya. Ụdị ịkpọ aha ahụ anaghị abụcha ezi aha. Nkwenye ndị Ụmụna na-egosi na ọ bụ aha ọjọọ ka a na-akpọ onye ahụ. N'otu aka ahụ, Nkwọ Diovu kọwakwara na Ụmụna kwenyere na ụkwụ ịkọ mmadụ ọkọ. Na nkọwa ya, ụkwụ ịkọ mmadụ ọkọ nwere otu ụdịrị nkwenye. Nkwenye ha abụo na-egosi na o nwere onye na-ekwu ihe gbasara mmadụ ibe ya. Mmadụ ize uzere na ụkwụ ịkọ ọkọ hibere isi na mmadụ ọzọ na-ekwu ihe banyere onye ahụ na-eze uzere maọbụ ụkwụ na-akọ ọkọ.

Clement Okogu (2023), otu onye na ndị a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na ndị Ụmụna nwere nkwenye na oboaka ịkọ mmadụ ọkọ. O (Clement Okogu) kwuru na ha kwenyere na mgbe oboaka nri kọrọ mmadụ ọkọ na ọ na-egosi na ụmụ ihe dị aṅaa onye ahụ nwere ga-ala onye ahụ n'iyi n'oge adịghị anya mana mgbe aka ekpe kọrọ mmadụ ọkọ, ihe ọ na-egosi bụ na onye ahụ ga-enweta ihe ọma dịka ego. Ndị

Ụmụna nwere ezigbo nkwenye na mgbe ọ bụla oboaka nke aka ekpe na-akọ mmadụ ọkọ na ọ bụ ego ka onye ahụ ga-enweta maọbụ na ihe ọma ga-abịara onye ahụ. Clement Okogu kọwakwara na Ụmụna kwenyere nke ukwuu na mmadụ ịtabị ire. Na nkọwa ya, mgbe mmadụ na-ata ihe tabie ire, ihe ọ na-egosi bụ na onye ahụ ga-eri oriri mara abụba maọbụ ata anụ n'oge adighị anya.

Ugwuobu Remigus (2023), onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ, kọwara na ndị obodo ha (Ụmụna) nwere nkwenye banyere ọkụ ịcha n'ike ite. Na nkọwa ya, Ụmụna be anyị nwere ezigbo nkwenye n'ebe ọkụ ịcha n'ike ite dị n'ihi na mgbe ọkụ na-acha n'ike ite mmadụ, ihe ọ na-egosi bụ na o nwere ebe akwụ onye ahụ chara. Mgbe ụdị ihe a mere,onye ahụ ga-agbagharị ebe nile akwụ onye ahụ dị iji gbuotuo ya tupu akwụ ahụ emebie. Ọ hịara ahụ onye dị otu ahụ ghara ịhụ akwụ ya chara acha tupu ọ na-agagharịcha ebe dum akwụ ya dị. Ọ (Ugwuobu Remigus) gara n'ihu kwuo na ike ite ịcha ọkụ abụghị na nkiti. Nwanyị ọ bụla na-esi nri, ike ite ya chaa ọkụ ga-ejiri ọsọ gbagarịa nkwụ ya nile okirikiri iji mata nke chara acha ka o gbutuo ya n'oge tupu o mebie n'elu. Ụdị nkwenye a enweghị mgbagha ebe onye ọ bụla a mụrụ n'Ụmụna dị. Ọ bụ site na nke a mere ha ji kwenyesie ike na ọkụ ịcha n'ike ite na-agbara ha ama na akwụ ha achaala.

Ọgbaji Thaddeus (2023) so n'onye a gbara ajụjụ ọnụ. Na nkọwa ya, obi mmapụ sokwa na nkwenye ndị Ụmụna nwere. Ndị Ụmụna kwenyere na obi mmapụ na-egosi na ihe dị egwu ga-eme onye ahụ. Ụdị ihe a dị egwu nwere ike ịbụ n'ụdị ọnwụ maọbụ n'ụdị ihe egwu jọrọ njọ dị iche iche nwere ike ịdakwasa onye ahụ. Ụdịrị ihe dị egwu ahụ ga-abịa dịka ihe mberede nye onye ahụ. Ọ ga-abụ ihe onye ahụ atụghị anya ga-adapụtara ya. O nwere ike ịbụ onwụ onye metụtara onye ahụ maọbụ ihe ịgba anya mmiri nke nwere ike ịbụ ihe ịla n'iyi, ịta ikikere eze na ịsụ údè. Ihe adighị ịgbagha n'obi mmapụ mmadụ bụ na ajọ ihe ga-adakwasara onye ahụ ma ihe ahụ ga-abụrịrị ihe ga-abịa na mberede.

Justus Nwaodoja Ogbuabọ (2023), onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ, kọwara na ndị Ụmụna kwenyere n'ịlọụwa. Ọ rụrụ ụka si na ọtụtụ ndị Ụmụna nwere ezigbo nkwenye na okwukwe siri n'ebe ịlọụwa nọ. Ha kwenyere na ịlọụwa bụ onye bịara n'ụwa bịe ezigbo ndụ maọbụ onye biri ezigbo ndụ oge ọ nọ n'ụwa o mechaa amụgharịa ya dịka nwa ọhụrụ site n'aka ndị ikwu na ibe ya nọ ndụ. Ha na-eme nke a iji mejụpụta ihe ha emeghị mgbe ha nọ ndụ ma nyekwara ha aka ibinyere

ndị nke ha.Oge ụfọdụ, onye mere okenyi hụrụ mmadụ n'anya na-asị onye ahụ mgbe ọ dị ndụ na ya ga-alọrọ ya ụwa iji kwụọ ya ụgwọ ihe ọma nile o mere ya. Ụdị ihe a na-emechaa mezue na ndụ onye a gwara ihe ahụ maọbụ nwanne onye ahụ. Ndị Ụmụna na-ahụta ndị nna nna ha bụ ndị nwugoro anwụ ka ha lọghachitere azụ n'ụwa n'ụdị nwa maọbụ ụmụaka a mụrụ ọhụrụ. Otu ihe dị mkpa ịrụtụ aka banyere ụdị nkwenye a bụ na ndị na-alọta ụwa bụ ndị emejụpụtaghị ebumnobi ha mgbe ha dị ndụ maọbụ tupu ha anwụọ, ha lọghachizie ụwa ọzọ, ha emezuo echiche obi ya. Ndị ụfọdụ na-alọụwa ọzọ iji ghọọ ngozi nye ezinaụlọ ha lọrọ ụwa na ya iji kwụọrọ ndị ezinaụlọ ahụ ụgwọ ihe ọma nile ha mere ya mgbe onye ahụ dị ndụ n'ụdị mmadụ.

Chijioke Amoke (2023), onye a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na ndị Ụmụna nwere nkwenye banyere nrọ. Na nkọwa ya, Ụmụna nwere nkwenye pụtara ihe n'ebe nrọ dị n'ihi na ụfọdụ were ya dịka ihe mkpughee maọbụ ihe mgbaama. Ndị Ụmụna kwenyere na mgbe mmadụ rọrọ nrọ, na ọ na-egosipụta na ndị nna nna anyị ha na-esi na nrọ agwa mmadụ okwu gbasara mmadụ ibe ya maọbụ gbasara otu ihe maọbụ nke ọzọ. Anyị kwenyere na ndị nwụrụ anwụ na-esi na nrọ ezi ndị mmadụ ozi nke ha na-esite n'ụzọ dị otu a egosipụta. Chijioke Amoke kọwakwara na ndị Ụmụna nwere nkwenye dị omimi n'ebe ozu akwaghị akwa dị. Na nkọwa ya, mmadụ nwụọ ma akwaghị onye ahụ akwa, mkpụrụobi onye ahụ agaghị ezuike. Ọnọdụ a ga-eme ka onye ahụ nwụrụ anwụ na-akpagharị akpagharị ghara iru ebe ibe ya bụ ndị nwụrụ anwụ na-eru. Onye ahụ agaghị enwe ezumike maọbụ nwee ọnọdụ dị mma n'ala ndị nwụrụ anwụ. Chijioke Amoke mekwara ka anyị ghọtakwa na ndị Ụmụna kwenyere na mgbe ndị dị ndụ akwaghị onye nwụrụ anwụ dika o kwesiri na ọnọdụ dị otu ahụ na-ebute ọgbaghara n'ezinaụlọ onye ahụ nwụrụ. Nke a nwere ike ịbịa n'ụdị nrịanrịa maọbụ ọrịa dị iche iche, agụụ, nsogbu n'ụdị dị iche iche, ọnwụ igbu aghara aghara na ihe ntarama ahụhụ n'ụdị ọ bụla. Nsogbu ndị ahụ enweghị ike ịbịa n'isi njedebe ganye na ezinaụlọ ahụ akwaa onye ahụ nwụrụ anwụ. Ọ bụ iji gbalarịa nsogbu a ka ezinaụlọ ọ bụla ji agba mbọ akwa ndị ọ bụla nwụrụ iji mee ka ndị ahụ nwee ike zuo ike n'ala ndị nwụrụ anwụ nke ga-eme ka ndị dị ndụ n'onwe ha kuru ume ndụ ghara ịgabiga nsogbu na ọnwụnwa dị aṅaa na ndụ ha.

4.2 Nkwenye n'anụ okike dị iche iiche

Nkwenye ọzọ pụtara ihe na ndụ ndị Ụmụna Nsụka Igbo metụtara anụ okike dị aṅaa. Ụfọdụ nkwenye ha nwerekwara pụtara ihe n'anụ ndị e lebara anya na ya dịka: agwọ, nkịta, ewi/eyi, ogwumangana, ikwiikwii, na udele. Dịka otu onye n'ime ndị a gbara ajụjụ ọnụ bụ Atokwudoakụ (2023) siri kọwaa, ndị be anyị (Ụmụna) nwere nkwenye anọ gbasara agwọ. Nke mbụ, mgbe nwanyị dị ime na-ahụ agwọ na nrọ mara na onye ahụ ga-amụ nwoke. O nwere ike ọ bụrụ onye ọzọ na-ahụta onye ahụ dị ime ka agwọ na-achụ ya maọbụ ka agwọ nọ ya nso, ihe ọ na-egosi bụ na onye ahụ dị ime ga-amụ nwoke. Ọzọ kwa, ndị Ụmụna kwenyere na ọ bụrụ na agwọ táá mmadụ, onye ahụ gbapụ ọsọ mara na a ga-agwọta onye ahụ ma ọ bụrụ na onye ahụ agbaghị ọsọ, ọ taa ya ọzọ mara na agaghị agwọta onye ahụ. Nke a na-egosi na onye ahụ ga-anwụrịrị. Onye agwọ tara ugboro abụọ n'otu mgbe ga-anwụ ọnwụ. Atokwudoakụ (2023) kwukwara na nkwenye ọzọ e nwere banyere agwọ bụ na ha anaghị akpọ agwọ aha n'abalị. Ihe ha na-akpọ ya n'abalị bụ eriri. Ha kwenyere na onye kpọọ agwọ aha ya n'abalị, ghara ịkpọ ya eriri na agwọ nwere ike ịta onye dị otu ahụ n'abalị. Nkwenye ịkpeazụ banyere agwọ na-egosi na anaghị akpọ agwọ aha mgbe ọ tara mmadụ. Ihe ha na-ekwu mgbe agwọ tara mmadụ bụ na eriri kọ̀rọ̀ mmadụ eze. Na nkwenye ha, ikwu na agwọ tara mmadụ ghara isi na eriri kọrọ mmadụ eze ga-eme ka onye ahụ agwọ tara nwụọ. Na nkwenye ha, ịkpọ ya eriri ga-eme ka ọgwụ ọ bụla e nyere onye agwọ tara nwere onwe ya.

Onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ bụ Anyanwụ Godwin (2023). Anyanwụ Godwin kọwara na nkịta bụ anụ ụlọ e nwere nkwenye dị iche iche na ya. Na nkowa ya, e kwenyere na nkịta na ahụ ndị mmụọ. Nke a na-apụta ihe mgbe mmadụ chọrọ iwu ọnwụ. Nkita na-ahụ ndị nwụrụ anwụ. Mgbe ọ hụrụ ha, ọ na-agbọ ụja pụrụ iche iche. Ụja nkịta na-agbọ ma ọ hụ mmadụ nkịtị dị iche na nke ọ na-agbọ mgbe ọ hụrụ ndị mmụọ. Ụja nke ndị mmụọ na-abụkarị ụja toro ogologo. Ụdịrị ụja a na-abụ na ndeeri (n'ime abalị) mgbe mmadụ na-arahụ ụra. Otu nkịta malite ụja ahụ, nkịta ndị ọzọ nọ n'ogbe ga-esonye ya na-agbọkwa ụja. Mmadu o bula hụrụ onwe ya n'anya anaghị apụta ihe mgbe ahụ. Ụmụna kwenyekwara na nkịta na-emebi ọgwụ e dosara na be mmadụ. Nkịta na-emebi ọgwụ site n'iji ụkwụ ya fọpụta ya ebe e liri ọgwụ ahụ ma gbusa ya asọ mmiri. Anyanwụ Godwin kọwakwara na nkịta maọbụ anụ ụlọ mmadụ na-eji onwe ha achụ aja site n'ịnwụchitere onye maọbụ ezinaụlọ nwe ha ọnwụ. Ndị Ụmụna kwenyere na ọnwụ anụ ụlọ oge ụfọdụ

abụghị ihe nkiti. Nke a mere ndị be anyị ji atụ ilu na-asị 'ihe ga-eme isi ha, ihe ahụ kpuru okpu ha.' Nkịta bụ mmụọ dị n'ụdị anụ ụlọ. N'ihi ya ndị be anyị nwere nkwenye na okwukwe siri ike n'ọtụtụ ihe banyere nkịta.

Ndị Ụmụna nwere nkwenye banyere eyi/ewi. Ogbuka Innocent (2023) kọwara na ndị Ụmụna kwenyere na mgbe ọ bụla mmadụ hụrụ eyi/ewi n'ehihie na ọ na-egosi na nnụkwu mmadụ ga-anwụ n'obodo n'ihi na ọ naghị apụta n'oge ehihie. Mpụta eyi/ewi na-apụta n'ehihie bụ iji gbaa ama ihe dị egwu ga-eme. Ha kwenyekwara na ụfọdụ ndị mmadụ na-esi na ya bụ eyi/ewi pụọ mana nke a ga abụriri oge ehihie. Ogbuka Innocent kọwakwara na ha nwere nkwenye na mgbe ọ bụla ha hụrụ ogwumagana na mmadụ mere okenye, tụmadị agadi nwanyị, ga-anwụriri. Onye ahụ ga-anwụ ga-emetụta onye mbụ ahụ hụrụ ogwumagana. Ndị Ụmụna kwenyere na ikwiikwi bụ ajọ anụ nke ndị ajọ mmadụ ji ata mmadụ ibe ha amosu. Ezike Michael (2023) bụ onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na ndị Ụmụna kwenyere na mgbe mmadụ nụrụ akwa ma ọ bụ ụrịa ikwiikwi ebe o bere n'osisi na ọ na-egosi na mmadụ ịta ibe ya amosu. N'ihi ya, Ụmụna kwenyere na mgbe ọ bụla ikwiikwi na-ebe ụrịa n'elu osisi maọbụ efe efe n'akụkụ ụlọ mmadụ na ha ga-akpọ ya iyi ma chọọ osisi/okwute chụpụ ya ebe ahụ o bere ka ọ ghara ịnọ nso n'ụlọ onye ahụ. Ọnọdụ a mere na ndị Ụmụna anaghị achọ ka ha nụ ụrịa ikwiikwi ebe dị nso n'ụlọ ha.

Udele bụkwa anụ ọzọ ndị Ụmụna nwere nkwenye na ya. Onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ bụ Ugwuegede Igwe (2023) kọwara na ndị Ụmụna hụtara udele dịka anụ jọrọ njọ. Ha kwenyere na mmadụ ọ bụla udele bere n'elu ụlọ ya nwere ozi sitere n'ala mmụọ ndị mmụọ chọrọ izi onye ahụ. Mgbe nke a mere, onye ụdị ihe a dakwasara na-aga na nke dibịa afa iji chọpụta ozi ahụ ndị mmụọ chọrọ izi ya. Nkwenye ha bụ na udele bụ nnunu oje ozi nke ndị nwụrụ anwụ ji agba ama ihe gaje ime n'ọdịnihu. N'ihi ya, udele anaghị aga na be mmadụ na nkiti. N'iji cheere udele ọji, ndị Ụmụna na-agbanye mmanụ nri na mpekiri eju bupuru udele ka ọ rachaa. Nke a bụ iji kwanyere ndị mmụọ maọbụ nwụrụ anwụ ugwu na igosi nnabata n'ozi ha ziri udele. Ozigbo udele ahụ rachara mmanụ fepu, onye ahụ ga-agawa be dibịa afa iji chọpụta ozi ndị mmụọ chọrọ izi ya site na njem udele bịara be ya.

5. Nchịkọta na mmechi

Nchọcha lebara anya na nkwenye efu dị iche iche e nwere n'Ụmụna-Nsụka Igbo dịka ha siri metụta ihe omimi na-eme na ndụ mmadụ na anụ okike dị iche iche. Ihe omimi dị aṅaa e lebara anya na ya bụ: ụkwụ ịkpọ mmadụ, nku anya elu iti mmadụ, mmadụ ize uzere ọtụtụ ugboro n'atụfụghị oge, ụkwụ ịkọ mmadụ ọkọ, oboaka ịkọ mmadụ ọkọ, ịtabị ire, ike ite ịcha ọkụ, ịlọụwa, nrọ na akwamozu. N'aka nke ọzọ, nkwenye ha nwerekwara pụtara ihe n'anụ ndị e lebara anya na ya bụ: agwọ, nkịta, ewi/eyi, ogwumangana, ikwiikwii, na udele. Nchọcha a tuleghaṛiṛị agụmagụ ndị mmadụ dere banyere nkwenye dịka o siri metụta ihe ụfọdụ dịka ekpemekpe ọdịnala, ụka kraịs, osisi na anụ nsọ, nrịanrịa, nje, agụmoge na ịlọụwa. Ntulegharịa agụmagụ a bara uru iji gozipụta ndọrọndọrọ ọnọdụ ndị kwee na ndị ekweghi banyere ihe nkwenye dị iche iche e nwere n'ala Igbo nke ọbịbịa ndị ọcha wetara n'Afrịka.

Site n'ọsịsa mmadụ iri na atọ bụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ nyere, nchọcha a chọpụtara na ndị Ụmụna nwere nkwenye siri ike n'ọtụtụ ihe omimi na-eme na ndụ ha. Nkwenye ha pụtakwara ihe n'ebe ụfọdụ anụ okike dị iche iche dị. Ha tụkwasa okwukwe ha ebe ọ dị ukwuu na nkwenye ndị ahụ dum. Ha nwere ụzọ dị iche iche ha si egosi nkwenye ha nwere n'ebe ihe ndị ahụ dịgasị. Nchọchọ a chọpụtara na ụkwụ ịkpọ mmadụ na-egosi ụzọ ihe abụọ: ihe ọma na ihe ọjọọ. Onye ụkwụ aka nri kpọrọ na-egosi na ihe ọma ga-abịara maọbụ emere onye ahụ ebe ụkwụ aka ekpe na-egosi ajọ ihe. Ihe nchọpụta ọzọ e nwetara bụ na mgbe nku anya elu na-eti mmadụ na onye ahụ ga-ahụ ihe nkiri dị mma ebe nku anya ala iti na-egosi mmadụ ịkwa anya mmiri nke nwere ike ịbụ ọnwụ. Nchọcha a chọpụtakwara na mmadụ ize uzere na ụkwụ ịkọ ọkọ na-egosi na mmadụ ọzọ na-ekwu ihe banyere onye ahụ na-eze uzere maọbụ ụkwụ na-akọ ọkọ. Oboaka nri ịkọ mmadụ ọkọ na-egosi ịla n'iyi akụnụba mana mgbe aka ekpe ịkọ mmadụ ọkọ na-egosi na mmadụ ga-enweta ihe ọma dịka ego. Ihe ọzọ a chọpụtara bụ na ọkụ ịcha n'ike ite mmadụ na-egosi na o nwere ebe akwụ onye ahụ chara.

Obi ịmapụ sokwa na nkwenye ndị Ụmụna nwere nke ndị ọchọcha chọpụtara na ọ na-egosi na ihe dị egwu ga-eme onye ahụ nke nwere ike ịbụ/bụrụ ọnwụ. Ịlọụwa sokwa n'ihe a chọpụtara nke na-egosi ịlọghachị azụ onye nwụrụ anwụ na-alọghachị. Nrọ bụ ụzọ ndị nna nna anyị ha nwụrụ anwụ si ekpughere mmadụ ihe zoro ezo ebe onye akwaghị akwa anaghị enwe ezumike ganye mgbe a kwara ya.

Ihe nkwenye ọzọ pụtara ihe na ndụ ndị Ụmụna-Nsụka Igbo metụtara anụ okike dị aṅaa. Nchọcha a chọpụtara na e nwere nkwenye n'ụzọ ihe anọ banyere agwọ dịka onye dị ime ga-amụta nwoke ịrọ agwọ na nrọ, ịgba ọsọ mgbe agwọ tara mmadụ, ịkpọ agwọ eriri n'abalị na mgbe ọ tara mmadụ. Nchọcha a chọpụtara na nkịta bụ anụ ụlọ na-ahụ mmụọ nke ọ na-eji ịgbọ ụja egosipụta n'abalị ma na-emebikwa ọgwụ e dosara na be mmadụ. Eyi/Ewi ehihie na ogwumagana na-egosi na nnụkwu mmadụ ga-anwụ n'obodo ebe ikwiikwi na-egosi amosu maọbụ ajọ ihe. Udele ibe n'elu ụlọ mmadụ pụtara na o nwere ozi sitere n'ala mmụọ ndị mmụọ chọrọ izi onye ahụ.

Na mmechi, nchọcha a chọpụtara na e nwere nkwenye dị omimi banyere ihe dị aṅaa na-eme na ndụ ndị mmadụ na ụfọdụ ihe okike si n'aka Chukwu. Ndị Ụmụna-Nsụka Igbo nwere ezi okwukwe pụtara ihe na nkwenye ndị ahụ. N'ihi ya, imerime ihe na-eme na ndụ ha nwere ụzọ dị iche iche ha si enweta ihe mgbaama banyere ya. Ihe ọjọọ ụfọdụ na-eme na ndụ ha bụ nnupu isi ka ha nupuru n'ihe agbaama ha nwere. N'otu aka ahụ, tupu ihe ọma emee na ndụ mmadụ onye ahụ ga-enwe ihe ga-eme bụ ihe mgbaama nye onye ahụ. Nke a ga-eme ka onye ahụ dị nkwadobe iji were nnabata ihe ọma mgbe ọ bịara. Ọtụtụ ihe emeela na ndụ ndị Ụmụna-Nsụka Igbo nke gbara akaebe na nkwenye ndị dị iche iche abụghị ihe efu maọbụ ihe nkiti. Nkwenye ndị a aghọla ihe nrịbama dị ọkpụtọrọ ọkpụ na ndụ ndị obodo e jiri mee nchọcha a. N'ihi ya, ịgbagha nkwenye ndị a na ndụ ha adịghị mfe maka o sila n'aka fere aka ma gbanye mgbọrọgwụ siri ike na ndụ ha.

Nrụmaka

Anizoba, E. C. (2021). The place of African belief and germ theory on the causes of human diseases, Verbum et Ecclesia, 42(1), https://doi.org/10.4102/ve.v42i1.2366 https://verbumetecclesia.org.za/index.php/ve/article/view/2366/5424.

Anizoba, E. C. (2023). Traditional Igbo belief in causes of disease: An evaluation. *Pharos Journal of Theology,* 10, (4), 1-21.

Anozie, C. C. (2003). *Igbo kwenu: Akụkọ na omenala ndị Igbo*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Asher, R. E. (1994). *The encyclopedia of language and linguistics.* Oxford: Pergamon Press.

Barmby, D. O. (1934). *Intelligence report on the villages of Ukehe, Umuna, Onyohor, Ochima, Ikolo, Aku, Ohebe-Dim, Ngalakpu and Umunko. Nsukka division, Onoitsha Province.* Enugu: National Archives, Enugu.

Ele, C. O. (2017). Egba Chukwu in Obukpa religion as praeparatio evangelica: A theological discourse. *International Journal of Business and Social Science*, 8, 5, 23-34.

Emetumah, E. I., Okalla, F. N., Igbokwe, B., Obioha, G. A. Megwa, C. S. & Etumnu, E. W. (2023). Igbo Indigenous Culture at the Mercy of Western Culture Dominance: What can the Mass Media do? *Asian Journal of Education and Social Studies*, 39(2):33-42.

Federal Republic of Nigeria (2006). *National population commission*. Abuja: Federal Republic of Nigeria.

Ndemanu, M. T. (2018).Traditional African religions and their influences on the worldviews of Bangwa people of Cameroon: Expanding the cultural horizons of study abroad students and professionals. *Frontiers: The Interdisciplinary Journal of Study Abroad*, 30 (1), 70 – 84.

Ndubuisi, E. J. O. (2021).Totemism in Igbo-African society and the preservation of the ecosystem. In I. A. Kanu, (Ed.), *African indigenous ecological knowledge systems* (pp. 133-144). Anambra: The Association for the Promotion of African Studies.

Ngangah, I. (2021). The Nexus between Igbo traditional belief system and masquerade act: A pragmatic analysis. *Open Journal of Philosophy*, 11, 16-27.

Nwankwo, I. U. (2015). Effects of traditional religious belief system of the Igbo group on the effectiveness of leprosy control programmes in Anambra and Ebonyi States of Southeast Nigeria. Retrieved on 20th September, 2023 fromhttps://www.google.com/url?esrc=s&q=&rct=j&sa=U&url=https://www.ajol.info/

Nwaozuzu, G. I. (2017). *Dialects of the Igbo language.* Nsukka: MEKYNO Computer Ventures.

Nwuba, M. G. C. (2021). The interface between Igbo traditional religion and Christianity. *African Journal of History and Culture*, 13, (1), 37-42.

Onuoha, C. E. & Uchechukwu, C. (2022). The metaphorical expression of time in Igbo. *Cogent Arts and Humanities*, 9 (1), 23-44.

Onuorah, C. P. (2022). Religious aberration in Nigerian contemporary society: A critique. *HTS Teologiese Studies/ Theological Studies* 78(4), 1-7.

Thwala, S.K., Ugwuanyi, C.S. & Okeke, C.I.O. (2020). Teachers' experiences with dyslexic learners in mainstream classrooms: Implications for teacher education. *International Journal of Higher Education*, 9, (6), 34-43.

Uchendu, V. C. (1965). *The Igbo of Southeast Nigeria*. New York: Holt, Rinehart and Winston.

Mgbakwunye ndị a gbara ajụjụ ọnụ

A/K	**Aha**	**Abụmoke /nne**	**Afọ**	**Ọrụaka**	**Ụbọchị ajụjụ ọnụ**
1.	Anyanwụ Godwin	Nwoke	65	Ọrụ ugbo	23/06/2023
2.	Atokwudoakụ Paul Igbeakụ	Nwoke	78	Ọrụ ugbo	19/08/2023
3.	Chijioke Amoke	Nwoke	52	Ọrụ Bekee	21/07/2023
4.	Clement Okogu	Nwoke	93	Ezumike	23/07/2023
5.	Ezike Michael	Nwoke	63	Ịgba igwe ọkụ	19/08/2023
6.	Justus Nwaodoja Ogbuabọ	Nwoke	51	Ọrụ aka	21/07/2023
7.	Nkwọ Diovu	Nwanyị	77	Ọrụ ugbo	23/06/2023
8.	Nwaugwulegwu	Nwanyị	84	Ọrụ ugbo	19/08/2023
9.	Ọgbaji Thaddeus	Nwoke	83	Ọrụ ugbo	21/07/2023
10.	Ogbuka Innocent	Nwoke	76	Ọrụ ugbo	23/07/2023
11.	Ọgwụ Deede	Nwoke	78	Ezumike nka	19/08/2023
12.	Ugwuegede Igwe	Nwoke	81	Ọrụ ugbo	21/07/2023
13.	Ugwuobu Remigus	Nwoke	71	Ọrụ ugbo	19/08/2023